# AMỤMA BANYERE MESAIA AHỤ
## Abù Ọma 2:1-12; 22:1, 18; 45:1-17; 68:16-19; 69:20, 21; 110:1-7; 118:21-24; 132:11
## IHE ỌMỤMỤ 470 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ihè bu nka, ka Ọ we la ọlu nile nke ekwensu n'iyi" (1 Jọn 3:8).**

**Ịhụn'anya Chineke**

Na Jọn 3:16 agwara anyị: "Chineke huru uwa n'anya otú a, na O nyere ọbụná Ọkpara Ọ muru nanị Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi kama ka ọ nwe ndu ebigh-ebi."

Ọ̀ dịghịrị anyị mfé ịghọta izu òkè nke ịhụn'anya Chineke. Ichè na Ọ ga-ezite Jisọs, nááný Ọkpara Ya, ịbịa n'ụwa mmehie a dịka Nwa ọhụụ ahụ na Betlehem! Nwa agbọghọ ná-amaghị nwoke bụ́ Meri, mụrụ Ya ime ka O tolite n'ọnọdụ dị ala n'ebe dị kwa ala, emesịa ka O we nye ndụ Ya n'elu obe n'ihi na Chineke bụ́ Nna Ya, jiri ịhụn'anya dị nsọ hụ anyị n'anya.

**Mkwà Chineke**

Chineke buru ụzọ gwa mmadụ banyere ọbịbịa Onye Mgbapụta ahụ n'Ogige Eden. Ọ bụ ezie na Adam na Iv emehiewo, Chineke agaghị arapụ ha ka ha banye n'ebighị ebi ná agbagharaghị mmehie ha. Kraist bụ "Nwa-aturu ahu Onye egbuworo site n'oge itọ ntọ-ala nke uwa" (Nkpughe 13:8).

Site n'ọtụtụ narị arọ nke Agba Ochie gara aga, Chineke na-eme kwa ka mkwà banyere ọbịbịa nke Onye Mgbapụta ahụ ná-adị kwa ọhụụ ọtụtụ mgbe. Iwu ahụ enyere Moses na ụkpụrụ ya ndịọzọ, na-atụ Onye Nzọpụta nke ụmụ mmadụ ahụ aka, Onye ga-awụsị Ọbara Ya otù ụbọchị n'ihi mgbaghara mmehie nke ụwa dum.

**Ndidi Chineke Na-enwe N'arụ Ndị Dị Ume-ngwụ**

Chineke matara na mmadụ anaghị amụta ihe ọsọsọ, ọ naghị edebe kwa iwu Ya. Nime ndidi ahụ na ịhụn'anya Ya O jiri ọtụtụ arọ n'ụzọ dị iche iche iji kwadobe ndị Ya n'ihi ọbịbịa Ọkpara Ya n'ụwa a.

Site n'ọnụ ndị amụma, agwara ha na nwa agbọghọ ná-amaghị nwoke ga-amụ Ọkpara nke Chineke. Agwara harị ọbụná aha ebe á ga-amụ Ya. Ekpughe kwara na Mmụọ Chineke ga-adakwasị Ya. Á ga-akpọ kwa aha Ya Onye Ebube, Onye-ndum-ọdụ, Nna nke bụ Nna mgbe niile ebigh ebi, Onyeisi Udo.

Ndị amụma n'otù aka ahụ bukwara amụma banyere ahụhụ Ya, ọnwụ Ya, òlìlì na mbilite n'ọnwụ Ya. Ha kwukwara banyere Ọbara Mkpuchi mmehie Ya na ubiri ụtarị Ya n'ihi ọgwụgwọ ọrịa anyị. O nwebeghị onye ọzọ amụrụ nke eburu amụma ra otú a banyere ya.

**Ọmụ́mụ́ Nke Onye Mgbapụta ahụ**

N'otù abalị, ihe ra ka puku arọ abụọ gara aga, ewe mee ka ndị ọ̀zụ̀zụ̀ atụrụ ole na ole nọ n'akụkụ ugwu Betlehem hụ́ otù mmụọ ozi bịara ịkpọsa banyere ọmụ́mụ́ Jisọs.

"Na mberede igwe usu ndi-mọ-ozi nke elu-igwe we nọnyere mọ-ozi ahu n'éto Chineke, si, otuto diri Chineke n'ebe kachasi ihe nile elu, udo di kwa n'elu uwa n'etiti madu ndi ihe ha di Ya ezi nma" (Luk 2:13, 14).

Ndị ọ̀zụ̀zụ̀ atụrụ ahụ mere ngwa ngwa ijé ụlọ anụ ahụ ịhụ Nwa ahụ bụ Kraist. Ha laghachikwute kwara atụrụ ha n'óké ịñụrịọñụ náagwa ndịọzọ banyere ihe ebube ahụ mere.

Mgbe Jisọs gbara iri ụbọchị anọ, ekuru Ya ga n'ụlọukwu Chineke dị ka enyere n'iwu (Levitikọs 12:3, 4). Mgbe Ọ nọ n'ebe ahụ mmadụ abụọ bụ ụmụ Chineke kwesịrị ntụkwasịobi hụrụ Ya, ha bụ Simeon na Anna. Mmụọ Nsọ kpughere ha na nke a bụ Onye Mgbapụta ahụ. Emezuwo ogologo ọchịchọ nke ndụ ha bụ́ ịhụ́ Mesaia ahụ anya. Ha bukwara amụma banyere ọdị n'iru Ya (Luk 2:25-38).

**Ọñụ Agwakọtara N'iruuju**

Tinyere mkwà olileanya niile banyere ọbịbịa Onye Mgbapụta ka enwekwara amụma mwuta banyere ọjụjụ ajụrụ Ya, ahụhụ na ọnwụ Ya. "Ndi-eze nke uwa nēguzo onwe-ha, Ndi-isi nāgbakọta kwa ìzù, Imegide JEHOVA, na imegide onye-Ya etere manu, si ka ayi tijie agbu nile ha, Tufue udọ̀ nile ha n'aru ayi" (Abù Ọma 2:2, 3). "Ita-uta etiwawo nkpuru-obim; anamariasi kwa ọria ike: M'we le anya onye gēgosim ebere o ji n'arum,

ma ọ digh onye ọ bula; M'le-kwa-ra anya ndi-nkasi-obi, ma achọtaghm onye ọ bula. Ha we nyem nsí di ilu ka m'ñua manya-vine gbara uka" (Abù Ọma 69:20, 21).

Obi anyị kwesịrị ijupụta n'ekele nye Onye Nzọpụta ahụ ji obi Ya niile bịa, ọbụná dị otú Ọ mara nkeọma na okporo ụzọ ahụ Ọ ga eje na ya jupụtara n'okwute ga-eduba Ya n'ugwu Kalvari.

**Mmeri Site N'ọnwụ**

Herod chọrọ ụzọ ịgbu Jisọs na nwata: ndịọzọ chọrọ ụzọ isi n'elu ugwu tụda Ya n'ala igbu Ya n'ihi na òzízí Ya mara ha ikpè. "Ọ biakutere ihe nke aka Ya, ma ndi nke aka Ya akpọbatagh Ya" (Jọn 1:11). Ndị isi ndị Juu mesịrị n'ikpeazụ me ka ama Ya ikpé ọnwụ. Ha tiri nkpu "Ka akpọgide Ya n'obe! Ka akpọgide Ya n'obe!" nasị, Ọbara-Ya di ayi n'isi, di kwa n'isi umu-ayi" (Matiu 27:25). Ọ bụ kwa n'elu Obe ka O tiri nkpu sị, Chinekem, Chinekem, n'ihi gini ka I rapurum?" (Abù Ọma 22:1).

Ọnwụ Jisọs abụghị na emeriri Ya dịka ụwa gaara achọ ikwere ma ná-akuzi kwa. N'ọnwụ Ya Onweya, bụ Nwa-atụrụ ahụ ná-enweghị ntụpọ nke ná-enweghị kwa ihe ịta ụta ọ bụla! Ọ nọchiri anya ụmụ atụrụ dị iche iche ejiri chụọ àjà n'okpuru iwu n'ihi mkpuchi mmehie. Ọ wụsịrị Ọbara Ya n'ihi mgbaghara mmehie.

Ma ọnwụ ejideghị Onye Nzọpụta anyị ogologo oge. N'ụbọchị nke atọ O biliri, ná-emeri ọnwụ, ọkụ ala-mmụọ na ílì, ọzọ kwa otù mmụọ ozi kpọsara sị: "Gini mere unu ji achọ Onye di ndu n'etiti ndi nwuru anwu? Ọ nọgh n'ebe a, kama emere ka O si n'ọnwụ bilie" (Luk 24:5, 6).

Ọmụmụ dị ala, ọnwụ ihere, mbilite n'ọnwụ dị ebube! Ihe niile O mere bụ n'irube isi nye uche nke Nna Ya. Chineke kwuru banyere Ya sị: "Onye a bu Ọkpara M'huru n'anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma" (Matiu 3:17).

**Ịbị aghachi Ọzọ**

Tinyere amụma niile banyere ọmụmụ Jisọs, ọnwụ Ya na mbilite n'ọnwụ Ya, nke á na-arụtụ aka dịka mpụta ìhè Ya ma ọ bụ ọbịbịa Ya nke mbụ, anyị na-ahụ kwa ọtụtụ mkwà dị ebube banyere ọbịbia nke ugbo abụọ nke Jisọs n'ụwa. Mkwà dị kwa banyere mgbe á ga-edo ndị iro Ya niile n'okpuru ụkwụ Ya.

Mkwà banyere ọbịbịa nke ugbo abụọ Jisọs na ụbọchị ahụ mgbe á ga-edo ihe niile n'okpuru Ya agaghị eweta ọñụ ma ọ bụ olileanya nye onye mmehie na onye ná-adịghị asọpụrụ Chineke.

Ekwensu na ndị niile feworo ya òfùfè ga-enweworị ụbọchị nke ha. "Onye nānọdu n'elu-igwe nāchi ọchi: Onye-nwe-ayi nākwa ha emò. Mgbe ahụ Ọ gāgwa ha okwu n'iwe-Ya, Ọ bu kwa n'iwe Ya di ọku ka Ọ gēme ka ha ma jijiji: Ma Mu onwem emewo ka ezem guzosie ike N'elu Zaion, bu ugwu nsọm …. Riọm, na agamenye gi mba nile ka ha buru ihe nketa-gi, Na nsọtu uwa ka ha buru ihe-onwunwe-gi. I gēji nkpa-n'aka ígwè tijisi ha; Dika ihe ọkpu-ite ka agātupia ha" (Abù Ọma 2:4-9).

Dịka amụma niile banyere ọbịbịa Kraist nke mbụ n'ụwa siri mezuo n'ụzọ dị ebube, otù aka ahụ ka á ga-eme kwa ka amụma niile banyere ọbịbịa Ya nke ugbo abụọ iji malite Alaeze ebighị ebi Ya mezuo kwa. "Oche-eze-Gi, Chineke, nādiri mgbe nile ebigh-ebi: Nkpa-n'aka-eze nke izi-ezi ka nkpa-n'aka nke ala-eze-Gi bu. I huwo ezi omume n'anya, we kpọ nmebi-iwu asị: N'ihi nka, Chineke bu Chineke-gi, tere gi Manu obi-utọ n'isi kari ndi-ibe-gi" (Abù Ọma 45:6, 7). "Ala-eze nke uwa aghọwo ala-eze nke Onye-nwe-ayi, na nke Kraist-Ya: Ọ gābu kwa eze rue mgbe nile ebigh-ebi" (Nkpughe 11:15).

**Onyinye Nke Chineke**

Chineke nyere anyị náání Ọkpara Ya ọ hụrụ n'anya n'ihi ịhụn'anya Ya. Ọkpara Chineke, Onyinye nke Chineke, ma ndị ụwa ejighị Ya kpọrọ ihe. Onyinye kwesịrị ka ewere ekele nara ya ka o we wetara onye na-anara na onye na-enye ya ọñụ ahụ nke ejiri n'ihi ya nye onyinye ahụ.

Eleghịanya, ọ na-eju gị anya ná-agbakwa gị gharị banyere àjà ukwu ahụ Chineke chụrụ site n'izite Ọkpara Ya. N'ụzọ dị añaa ka isi ahụ onyinye a nke Chineke nyere? Ọ na-emetụ gị n'arụ na Jisọs bụ onyinye enyere gị onwegị, ka ọ bụ na ị na-ele onyinye ahụ anya ka ihe ná-agbasaghị gị, we rapụ ịhụ́ óké urù ọ bara? Apụghị iji ihe nke ụwa tụnyere "pearl di oké ọnu ahia." "Ugwọ-ọlu nke nmehie bu ọnwu; ma onyinye-amara nke Chineke bu ndu ebigh-ebi nime Kraist Jisus Onye-nwe-ayi" (Ndi Rom 6:23).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òle mgbe enyere mkwà nke mbụ banyere Onye Nzọpụta?
2. Òle mgbe Chineke mere àtụ̀màtụ̀ banyere nzọpụta?
3. Òlee otú Iwu ahụ si ná-arụtụ Jisọs aka?
4. Kwuo amụma abụọ n’Agba Ochie metụtara ọmụ́mụ́ Jisọs.
5. Òlee okwu anyị hụrụ n’Abụ Ọma nke Kraist kwuru n’elu obe?
6. Gịnị ka eburu n’amụma banyere uwe Kraist?
7. Gịnị mere ọnwụ Kraist abụghị na emeriri Ya?
8. Gịnị mere eji arụtụ Kraist aka dịka Nwa-atụrụ?
9. Òlee ndị mbụ natara ozi banyere ọmụ́mụ́ Jisọs?